# AKPAMỤAKỤNAỤBA N'AKWỤKWỌ AGỤMAGỤ EDEREDE A A HỌỌRỌ

**Adaora Theresa Oli**
Ngalaba Amụmamụ Igbo, Afrịka na Eshia
Mahadum Nnamdị Azikiwe, Ọka
Steeti Anambara, Naịjirịa

## Ụmịedemede

Onye ọbụla nwere ụzọ o si enweta ihe o ji enyere ndụ aka. Ụzọ abụọ mmadụ nwere ike isi kpaa akụ bụ usoro ezi akpamụ akụ na usoro ajọ akpamụ akụ. A hụtara ezi akpamụ akụ dị ka mmadụ ịkwụba aka ya ọtọ mgbe ọ na-achụ ihe enwemenwe ndị a, ebe ajọ akpamụ akụ bụ mmadụ isi n'ụzọ ọjọọ were na-achụ ihe enwemenwe.Etu ụfọdụ mmadụ si akpa akụ ugbua na-agba anya mmiri. Ụfodu ndị odee esila n'ederede ha gosipụta etu ndị mmadụ si akpa akụ ma n'ezigbo ụzọ ma n'ajọ ụzọ. Akwụkwọ ndị a gbadoro ụkwụ wee mee nchọcha a bụ *Mmiri Ọkụ E ji Egbu Mbe* na *A Chọwa Isi Ọchụ*. Ọ bụ atụtụ Saịkoanalisis ka a gbasoro wee mee nchọcha a. A chọpụtara na e nwere ọtụtụ ihe ga-akpalite mmadụ ịkpa akụ. Ihe ndị ahụ gunyere: agụụ ịchọta ihe ọ ga-eri, inwe ebe obibi,iyi akwa, ihe ndị a dị onye ọbụla dị ndụ mkpa. A chọpụtakwazịrị na ụfọdụ ndị mmadụ nwere ike inwe akụ na ụba ga-ezuru ha na ụmụ ụmụ ha mana oge ụfọdụ, oke ọchịchọ, anyaukwu, oke akpịrị na afọ eju ala anaghị ekwe mmadụ zuru ike. A tụrụ anya na ederede a ga-enye aka kwalite ezi akpamụ akụ na ụba ma katọkwaa ajọ akpamụ akụ n'ihi na o nweghị mgbe mmụọ onye nọ n'ajọ ụzọ ji enwe ezumike.

## Mgbakwasa isiokwu

Agụmagụ bụ ụzọ dị iche iche e si eji asụsụ ezipụta ebumnuche mmadụ. Ọ bụkwa ụzọ ndị odee dị iche iche si ezipụta ihe na-eme n'ụwa. Ọ bụ nke a mere e ji sị na agụmagụ bụ enyo e ji amata ihe na-eme n'ụwa. Agụmagụ ugbua esighị n'elu daa kama ọ bụ agụmagụ ọdịnaala gbanyeere ya mkpọrọgwụ.

Akpamụ akụ na ụba nke eji mere isiokwu nchọcha a bụ ụzọ dị iche iche ndị mmadụ si agba mbọ ịchọta ihe afọ ga-eri, makana e mere ka a mata na onye ngana kpuo ute, agụụ e kpughee ya. Silvio (2013) hụtara akpamụ akụ na ụba dịka nnweta ihe onyinye dị iche iche nke ga-enyere ndụ aka. Ọ gakwara n'ihu kọwaa na akụ na ụba abụghị naanị ihe oriri kama ọ gunyere ihe dum dị n'ụwa baara mmadụ uru na ndụ ya dịka nwa, ego, ahụike, nri, ala, ụgbọala, ikwu na ibe dg. Ihe ndị a bụ eziokwu makana onye nwere mmadụ nwere ihe niile. Ọzọkwazi bụ na ihe niile dị n'ụwa nwere uru ọ bara.

Ọ dịghị ihe mere n'etiti anyanwụ zoro ezo. Ọ bụ n'ihi nke a ka ọtụtụ ndị odee ji esi n'ederede ha eme ka ndị mmadụ chọpụta ihe na-eme n'ụwa taa. Akpamụ akụ na ụba dị mkpa na ndụ mmadụ niile. Ha sitere n'ederede ndị a were gosi ka ndị mmadụ si akpa akụ. Ụfọdụ bụ ndị na-akpa ya n'ụzọ dị mma ebe ụfodu si n'ụzọ ọchaa sị gbute, ọ chaghị sị gbute, ya bụ n'ụzọ adịghị mma. Ha na-egosipụtakwazị na mgbe ọbụla mmadụ kwụbara aka ya ọtọ n'ihe ọbụla ọ na-eme, ọ ghaghị ịga n'ihu. Ịchụ akụ na ụba n'ụzọ ọjọọ na-ebute ihe nhusianya dị iche iche. Ọ bụ ọnọdụ akpamụ akụ na ụba debere ala anyị metụrụ nwanchọcha, o were sị ka o site n'agụmagụ ederede ndịa a họpụtara were nyochaa ka akpamụ akụ na ụba si aga n'oge ugbua.

Ederede a ga-eme ka ndị mmadụ nwee mmasị ịgụ akwụkwọ Igbo n'ihina ọ na-enyere ọhanaeze aka ọkachasị ndị na-etolite etolite aka n'ịgbaziri ha ụzọ dị mma ha ga-esi na-akpa akụ na ụba. Nchọcha a ga-abakwaziri mmadụ niile uru n'ihina a ga-esite na ya mata mkpa ọ dị mmadụ ịgbaso ụzọ dị mma mgbe a na-akpa akụ na ụba.

**Nnyocha atụtụ**

Atụtụ bụ echiche ndị mmadụ chepụtara etu a ga-esi na-eme ihe. Echiche ahụ na-enye ntuzi aka mgbe onye ọbụla na-eme nchọcha iji zipụta nchọcha ya nke ọma. Dị ka isiokwu a na-eme nchọcha si dị, ọ bụ atụtụ Saịkoanalisis ka a gbasoro wee mee nchọcha a. Sigmund Freud wepụtara atụtụ Saịkoanalisis n'agbata afọ 1856 na 1939. Dobie (2009) mere ka a mata na Freud bụ dibịa Bekee ma wepụta atụtụ a na-eleba anyan'akparamagwa mmadụ. Onye ọzọ lebara anya n'atụtụ a bụ Alan (1992), onye sị na atụtụ Saịkoanalisis nke Sigmund Freud chọpụtara metụgasịrị omume niile mmadụ na-eme malite na mbido ndụ onye ahụ ruo mgbe onye ahụ kpabara agwa dị aṅaa. Site na nkọwa ya, o mere ka a mata na e kere agwa dị n'ime mmadụ ụzọ atọ, ha bụ "id" "ego" na "supa ego". Id bụ ihe dị n'ime mmadụ, nke na-akpalite agwa maọbụ omume mmadụ na-eme. O nwere ike ibụ agwa dị mma maọbụ nke dị njọ. "Ego" bụkwa mmụọ ahụ nọ n'ime mmadụ nke na-ahazi omume ebe "supa ego" na-enye aka ime ka a mata na ezi omume dị mma, na ajọ akparamaagwa nwere ahụhụ so ya.

Kalat (2008) kwuru na atụtụ Saịkoanalisis na-eme ka a mata ihe kpatara mmadụ ji enwegasị nsogbu ma nyekwaziere onye ahụ aka ịgabiga nsogbu maọbụ nweta ụsa ihe kpatara nsogbu ji adapụtara onye ahụ. Nke a bụ eziokwu n'ihina oge ụfọdụ mmadụ na-akpa agwa, ọ kachasị nke ezighị ezi, a na-ewe ya na o nwere ihe kpatara ya makana ọ dighị mma mmadụ ịbụ nsogbu nye mmadụ ibe ya. O mekwara ka a mata na mmadụ nwere ihe abụọ dị ya n'ime, ha bụ nke onye ahụ maara na nke onye ahụ amaghị. Nke onye ahụ amaghị nwere ike ịpụta ihe na nrọ maọbụ dapụta mmadụ n'ọnụ n'amaghị ama. Ọrụ atụtụ Saịkoanalisis bụ ime ka ihe ndị ahụ mmadụ amaghị maka onwe ya mana ha dịmmadụ n'ime bụrụ ihe pụtara ihe, ka a matazie maka ha. Freud kwenyere na ihe egwu maọbụ omume ọjọọ dakwasara mmadụ mgbe ọ bụ nwatakịrị na-akpa agwa n'ime mmadụ n'agbanyeghị na onye ahụ abụrụla okenye.N'igosipụta ka Saịkoanalisis si arụ orụ, Mbah na Mbah (2007) kwuru na ndị na-agbaso atụtụ Saịkoanalisis lebara anya n'ịmata ka echiche mmadụ si arụ ọrụ. Atụtụ a lebara anya n'agwa dị n'akwụkwọ a na-agụ, ya na echiche onye dere akwụkwọ ahụ nakwa echiche ọgụụ. Ọ bụ nke a mere na ederede ọbụla nwere ebe ọ na-arụga aka.

Dobie (2012) kwuru na dịka atụtụ Freud siri dị, na nrọ bụ okwu dị mmadụ n'uche maọbụ n'isi nke onye ahụ amaghị maka ha. Ya bụ, ọtụtụ ihe ndị ahụ na-agụ mmadụ agụụ ime mana o mejupụtaghị ha kama ha dị ya n'isi ma na-apụtazị ihe n'ime nrọ mmadụ rọrọ. A hụtara nrọ dịka ihe ndị ahụ na-aga mmadụ n'uche mgbe ọ nọ n'ụra. Oge ụfọdụ, mmadụ nwere ike icheta ihe ọ rọrọ na nrọ ma mgbe ụfọdụ ọ naghị echetacha.

**Nkọwa akpamụakụnaụba**

Kroman (1980) kwuru na akpamụ akụ na ụba bụ ụzọ mmadụ si enweta ihe onyinye ga-enyere ya aka ibi ndụ nke gunyere: ego, ụmụ, ala, ahụike d.g. Nke a bụ eziokwu n'ihi na onye dị ndụ kwesiri inweta ihe ndị ga-abara ya uru ọ ga-eji na-enyere ndụ aka. Mmadụ ịmụta nwa dị mkpa, ego bakwaziịrị uru makana onye ejighị ego agaghị erinwu nri maọbụ zụọ nwa ọ mụtara. Akpamụ akụ na ụba bụ agbamụ mbọ mmadụ n'ịchụta ihe onyinye dị iche iche. Nkea pụtara ihe na Silvio (2013). Ọ sịrị na akpamụ akụ na ụba bụ etu mmadụ si enweta ihe enwemenwe dị iche iche n'uju. Ọ gakwara n'ihu kọwaa na ihe enwemenwe ndị a na-eme ka ndụ dị mfe obibi. O kwukwara na mmadụ ịda ogbenye nwere ike itinye onye ahụ n'ihe isi ike na ọ bụrụ na onye ahụ enweghị onye enyemaka.

Merian (2016) mere ka a mata na akpamụ akụ na ụba bụ ụzọ dị iche iche mmadụ si akpata ego, mụọ nwa, rụo ụlọ, rụọ ọrụ, zụọ ahịa dg. Ọ gakwara n'ihu kwuo na onye ọbụla kwesịrị ịkwụba aka ya ọtọ mgbe ọ na-akpa akụ makana akụ a kpara n'ụzọ ezighị ezi

anaghị abachaara onye nwe ya uru. O kwuru na o nwere ike na-egboro onye ahụ mkpa mana akọnauche onye ahụ nọ na mwute mgbe ọbụla. Ọ gakwara n'ihu katọo etu ndị mmadụ si akpa akụ n'ụzọ adịghị mma n'agbanyeghị ihe mwute ọ ga-ebutere onye ọ na-emeso ajọ ọmụme ahụ.

Ọ dị mkpa mmadụ ịgba mbọ kpata akụ na ụba. Akụ ndị a ga-enyere onye ahụ aka n'obibi ndụ ya. Eze (2010) kwenyere na nke a site n'ikwu na akụnaụba buo ibu maọbụ pee mpe na ọ ga-enyere mmadụ aka, ezinaụlọ maọbụ obodo ibi ndụ nke ọma. Nke a bụ eziokwu makana ihe ọbụla mmadụ nwere n'ụwa a nwere uru ọ ga-abara ya, ọ bụghị taa, ọ bụrụ echi.

Epom (2012) kwuru na akpamụ akụ na ụba bụ ụzọ e si amata ihe niile mmadụ, obodo, na ụlọ ọrụ nwere. O kwuru naa ga-achọpụta nke a site n'igụkọ akụ na ụba niile ndị ahụ nwere were gbapụ nke e ji n'ụgwọ makana onye ji ụgwọ na-anọ n'ihe nchekasị mgbe ọbụla n'ihi na ọ maghị mgbe onye o ji ụgwọ ga-abịa ịkpọte ya n'ụra.

Akpamụ akụ na ụba so n'otu isi sekpụ nti n'ihe mamdụ na-eme n'elu ụwaa. Onye akpataghị ihe ọ ga-eri ga-anwụnyụ anya. Ọ bụ nke a mere Bridge (2009) jiri kwuo na akpamụ akụ na ụba bụ agbamụ mbọ mmadụ inweta ihe akụ akụ na ihe enwe enwe n'ụjụ. Ọ gara n'ihu kwuo naa na-ahụta onye nwere ọtụtụ akụ dịka ogaranya, nke na ndị obodo na-asọpụru onye ahụ mgbe ọbụla. O kwukwara na akụ ndị ahụ gunyere; ego, anụ ụlọ, ụmụ, ikwu na ibe na ndị enyi.

**Ụzọ esi akpa akụ na ụba**

Dịka isiokwu a na-ede maka ya siri bụrụ akpamụ akụ na ụba, a gbara mbọ chọpụta ọtụtụ akụ na ụba ndị mmadụ kpara n'ụzọ ha si kpaa ya. Ezenyilimba (2015) kọrọ ka aka siri kpara Onyebuchi ebe ọ gara ịkpa akụ n'ụlọ ụka St. Martins dị n'Ifitedunu. Onyebụchi bara n'ụlọ ụka ahụ tiwaa igbe e ji etinye ego were ego dị na ya gbapụ ọsọ. Site n'enyemaka ndị nọ nso, a chụrụ ya ọsọ ma jide ya. Mgbe a gbara ya ajụjụ ọnụ, ọ kọwara na ọ bụghị sọ naanị n'Ifitedunu ka ọ na-eje ohi, kama ọ na-agakwazị n'ụlọ ụka dị n'Agụlụ na Mkpọọ. Ha dum dị n'ime Steeti Anambara. Onye omekome ahụ bụ onye Ụmụchukwu n'otu steeti ahụ. Ka o sila dị, okwu ya ka dị n'aka ndị uwe ojii makana onye kpara akụ n'ụzọ ọjọọ ga-anata ahụhụ so ya.

Mgbe ụfọdụ, enweghị ezigbo ọzụzụ na-eduba mmadụ ịkpa akụ na ụba n'ụzọ jọgburu onwe ya. Nke a pụtara ihe n'Ezenyilimba (2014) ebe ọ kọwara etu nwatakịrị nwa okorobịa gbara naanị afọ iri na asatọ aha ya bụ Emeka Umeịra si gaa ohi n'ụlọ ụka St. Matthew dị n'Amọọbịa, Ọka. Emeka batara n'ebe obibi ndị ụkọchukwu gwa ha na ya bụ Emeka nọ n'ụlọ akwụkwọ ebe a na-azụ ndị ụkọchukwu. Nke a mere ka ndị ụkọchukwu nọ ebe ahụ nabata ya mana mgbe ihe ka nte bakwutere nte n'ọnụ bụ mgbe agamevu ahụ zuuru narị naịra iri na ise nke otu onye n'ime ndị ụkọchukwu ahụ dosara. Oge ahụ ka ha jiri chọpụta na Emeka anọghị seminarị ọbụla, kama ọ bụ onye ohi. Onye ohi a kọwara na nne ya akpachapụrụghị ya anya ma bụrụkwazie nwa a tụtara n'ime mkpuke.

Akụ na ụba mara mma mana ụzọ ndị mmadụ si akpa ya bụ ihe na-agba anya mmiri mgbe ụfọdụ. Ebe nwatakịrị chọrọ ịkpa akụ were buru n'obi ka ọ kpọrọ okenye mmadụ ree ka o were nweta ego bụ ihe a maghị ka a ga-esi kọọ. Nke a pụtara ihe n'Ọnwụmelụ (2013). O mere ka a mata na mgbe ọnwa Ọgọstị dị na mkpụrụ ụbọchị iri na isii, n'afọ 2013 na nwatakịrị aha ya bụ Giwa gbara afọ iri na asatọ ghọrịrị enyi ya nwoke bụ Musa onye gbara afọ iri atọ, ka ha si Steeti Taraba bịa Ọka, ma ebumnoobi Giwa bụ ka o ree Musa nara ego. Ọ bụ onye ọ gwara ka o nyere ya aka chọta onye ahịa ga-ego Musa bụ onye gbara ama gaa kpesara ndị ọrụ uwe ojii.

O nweghị mgbe obi mmadụ ji ezu ike mgbe ọ na-akpa akụ n'ụzọ dị njọ. Onwumelu (2014) kọwara ka di na nwunye bụ Maazị na Oriakụ Chibueze si agagharị n'ụlọ ọgwụ dị iche iche n'ime Steeti Anambara na-atọrọ ụmụaka a mụrụ ọhụrụ. Ha na-eme nke a site n'ime ka a ga-asị na ha bịara ileta onye mụrụ nwa ọhụrụ ahụ. Ka ha na onye mụrụ nwa na-akparịta ụka, ndị otu Maazị na Oriakụ Chibueze ejiri egbe bata n'ụlọọgwụ naghara nwaanyị mụrụ nwa ọhụrụ nwa ya n'ike ma gbafuo. Di na nwunye a kpọkwazịrị aha ndị na-enyere ha aka n'izu ohi ụmụ ntakịrị. Ndị ahụ na-enyere ha aka n'izu ohi ụmụ ntakịrị bụ Ogechi Okoye na-arụ n'ụlọọgwụ Regina dị n'Igboukwu, Ebere Ọkala na-arụ n'ụlọọgwụ Chidera Specialist dị n'Ụga, ebe ha kwuru na ụmụaka ha zutere dị iri n'ọnụọgụ.

Ọnọdụ akpamụ akụ na ụba tinyere ala anyị na ya kwesịrị ka onye ọbụla kpachapụ anya mgbe ọbụla ma kee nkwụcha. Eleke (2015) kọwara ma nyekwa ndụmọdụ ka ndị mmadụ kwụsị ịba ọgbatumtum nke a na-akpọ ọkada n'oge abalị maọbụ n'isi ụtụtụ. Ọ sịrị na otu nne nwaanyị na-ere achịcha koro eko n'*Unizik Junction* zutere onye ọkada n'otu ọnụ ụtụtụ ka o buga ya ebe a na-eme achịcha a na-akpọ *Highlife*n'Ọka. Onye ọkada a gbakatara kwụsị sị nwaanyị ya weta akpa ya. Otu nwoke ọzọ sikwazị n'ọhịa dị ebe ahụ mapụta, chedo nwaanyị egbe n'ihu. Ha na nwaanyị ahụ malitere zọba egbe na akpa. Mgbe ha nụrụ olu ndị mmadụ ka ha na-abịa, ha mara ọkada ha elu gbafuo, ebe nwaanyị weere egbe ahụ wega n'ogige ndị ọrụ uwe ojii dị n'Ọka.

Ụzọ mmadụ siri kpaa akụ nwere ike ibutere onye ahụ na ezinaụlọ ya ihe ihere. Oge ụfọdụ ọ na-ebutekwa akpọmụọnụ nyere ndị obodo ya. E zipụtara nke a n'Igbokwe (2017) ebe a kọrọ maka otu nwoke aha ya bụ Chukwudubem Onwụamadike onye e ji Evans mara. Evans kpara ike dị egwu site n'ụdị akụ ọ kpara. Ndị ogaranya ejighị ntị anụ aha Evans n'ihi na ọ na-agba ha ka anụ. Ọrụ nwoke a bụ ịtọrọ ndị ọgaranya ma gwa ha ka ha weta nde kwuru nde naịra tupu ọ hapụ ha. Mgbe aka ndị uwe ojii kpaara ya ka ọnwa Junu dị na mkpụrụ ụbọchị iri abụọ na otu n'afọ 2017, Ọnwụamadike were bụrụzie onye ọha na eze matara dịka onye na-akpa  akụ n'ụzọ ezighị ezi. Ọ bụ ebe o bi na *Magodo Estate* Legọọs ka a nọrọ jide ya. E mere ka a mata na nne Evans bụ Ledi Nwosu zopuru ezopu n'ihi emo ndị mmadụ na-akwa ya, ebe ụfọdụ na-abịa ka ha mata onye mụtara ọgaranya a ji ndị mmadụ atụ mgbere. Obi ndị Umudim Nnewi bụ Ichie Benneth Okafọ kwuru na ha amaghị onye Evans bụ. O kwukwara na o nweghị ụlọ maọbụ akụ o nwere na Nnewi iji gosi na ọ bụ ọgaranya tinyere na ọ naghị alọta ụlọ. Ndị Nnewi kwukwara na ha amaghị onye Evans bụ na ọ bụ mmechu ihu nyere ha, ebe nna ya, nwunye ya na ụmụ ya nọ n'ihe ịtụ arịrị maka ajọ omume Chukwudubem.

Oge ụfọdụ mmadụ na-amalite ịkpa akụ n'ụzọ dị mma mana ọ bụrụ na o zute ndị ọjọọ, omume ya agbanwee. Igbokwe (2017) kọrọ akụkọ ka ụmụ nwoke isii bụ ndị Fụlani na-azụ atụrụ siri zụkata atụrụ were malite ịtọlụ mmadụ nara ego n'ihina ụfọdụ ndị Fụlani ibe ha chọpụtara ụzọ e si enweta ego ọsọọsọ. O kwuru na ha na-eme nke a site n'ịkwụ n'okporoụzọ awara awara si Abụja gaa Kogi ya na Kaduna. Ụmụ okorobịa a kwuru na ọ bụ ehi ole onye nwere n'ime ohịa ha bi ga-egosipụta ụdị nsọpụrụ a ga-enye onye ahụ. Ha kọwakwara na ọ bụrụ na ha tọrọ mmadụ, ha nweta ego, ha ewere ego ahụ gote ehi tinyekwuo n'ehi ha nwere. Ha kwukwara na ndị okenye Fụlani anabataghị ụdị ajọ ndụ a ha na-ebi maka na ha kwenyere na otu ụbọchị na ndị gọọmentị ga-abịa tụọ ogbunigwe n'ime ọhịa ahụ ma ọ bụrụ na a chọpụta ihe ọjọọ ndị Fụlani na-eme. Ndị omekaome a gakwara n'ihu kọwaa na ụjọ anaghị ekwe ndị nche obodo bata n'ime ọhịa ahụ ebe ha na-edebe onye ha tọtara n'ihi na ha dum nwegbadoro egbe nke ha. Nke a were bụrụ ihe arịrị nye onye ọbụla makana ndị Fulanị hapụzịrị ehi ha were banyezie na mgbere mmadụ n'ihina ha sị na ha ka enweta ego na ya ọsọ ọsọ.

**Nnyocha *Mmiri Ọkụ E Ji Egbu Mbe***

N'akwụkwọ a, odee bụ Tony Ubesie na-akọwa maka otu mkpụrụ anya ji isi ụgwọ Maazị Ụzọdịmma na Chinyere mụtara bụ Enyi. Ọ bụkwazi nwa mgbii n'ihina nna ya nwụrụ oge ọ dị naanị afọ abụọ. Ka ọ gachara afọ abụọ nna ya nwụrụ, nne ya nwụkwa wee hapụrụ Enyi nwanne nna ya bụ Ebuzọ.

Ebuzọ na Enyi bidoro biwe mgbe ọ dị afọ anọ. Ọ bụ otu a ka Enyi nwa mgbii si bido tawa ahụhụ mgbe ọ ka na-asa ahụ n'afọ n'afọ. Onye hụrụ Enyi ahụla nna ya nwụrụ anwụ, bịakwa hụ nwanne nna ya o bi na be ya. N'ihi nke a ka Ebuzọ ji hụ Enyi n'anya nke ukwu.

Site n'ụbọchị mbụ Enyi bịara, nwunye nwanne nna ya kpọrọ ya asị. Aha nwunye nwanne nna ya bụ Nneka. Ọ mụtara naanị ụmụ nwaanyị anọ. O bidoro mewe 'nke m bụ nke m' mana 'nke ha bụ nke ha' n'ebe Enyi na ụmụ ya nọ. Ọ naghị enyeju ya nri afọ nke o ji ekunyere ya azụ maọbụ anụ e ji sie nri. Enyi dị ka aha ya siri dị, bụ enyi ma na-emekwa ka enyi. Ọ bụ onye chi ya wọrọ ihe ka agụụ ihe ahụ ga-egbu. Ọ malitere soro Nwokeabịa bụ enyi ya nwoke jewe igbu azụ na mmiri. Ha gbuchaa azụ, ha echekpọọ ya. Enyi ezoo nke ya, mgbe ọbụla ha richara nri, Enyi agaa were azụ ya tagharịwa ọnụ. Ihe a ka ọ na-eme, ma mgbe ihe ka nte bakwutere nte n'ọnụ bụ mgbe Nneka hụrụ ka ọ na-ata azụ wee bo ya ohi azụ e ji sie ofe n'echeghị ka ọ mara ebe azụ si. Akaja niile, egwu ohi niile Nneka na ụmụ ntakịrị ndị ọzọ mere ya kpatara na ndị okenye hụrụ ya n'anya kwetara na Enyi bụ onye ohi. Ha adịkwaghị ekwe ka ọ bata n'ụlọ ha etu ha si emebụ. Enyi chere ihe ọ ga-eme n'ọnọdụ a, o wee sị na ọnwụ sikarịa ike a nwụọ ya ụbọchị Eke.

Ọ bụzị n'ụlọakwụkwọ ka o ji mere ebe obibi ugbua ma were mkpụrụ osisi dị n'ogbe ndị ọcha mere nri. A si na a naghị anọ otu ebe ekiri mmanwụ. N'ichụ nta ihe afọ ga-eri, ọ malitere rụwa ọrụ ibu ibu. Enyi mechaara malite sowe ndị na-ezu ohi wee bido zube ohi. Enyi lara obodo ya zube ewu, ọkụkụ, na ihe akụkụ ubi. O zuru ọtụtụ ohi n'Enugwu na n'Ugwu Awụsa. N'ikpeazụ, o chetara ihe nna ya gwara ya na ihe mmadụ ataghị ahụhụ nweta anaghị abara ya uru. Ọ tụrụ onwe ya mbọ sị na ya ga-ebido biwe ụdị ndụ ga-enyere ya aka n'ụwa. Site na nkwado ndị obodo ya, ọ malitere rụwa ọrụ ugbo. Ka ọ rụrụ ọrụ ugbo afọ ise, nri abụrụ atụrụ taba n'ọba ya. Ọ bụ otu a ka o si were ike Ọbasi bi n'elu nyere ya wee baara onwe ya uru.

Iji atụtụ Saịkoanalisis wee lebaa anya n'ederede a, ya bụ "id", "ego" na "supa ego". "Id" pụtara ihe na ya. Ọrụ "id" bụ iwetara mmadụ agụụ ihe dị njọ na ihe dị mma. Ọ bụ agụụ ime ihe ọjọọ kwanyere Enyi na ndị otu ya izu ohi, ya bụ ịkpa akụ na ụba n'ụzọ ezighị ezi. Mgbe ọbụla "id" malitere ịrụ ọrụ n'ime mmadụ, ọ dị ka o nwere ihe na-akwa onye ahụ aka ka o mebe ihe ahụ "id" zipụtara n'uche ya. Ọ bụ "id" tinyere ha ekworo, anyaụfụ, akpịrị, afọ eju ala na agụụ iwepu ndụ mmadụ ibe ha iji hụ na ha kpatara akụ. Ọ bụkwa otu ihe ahụ mere na ha gbuo mmadụ na ọ naghị adị ha ka ihe ọbụla. "Id" anaghị enwe mmetụta ihe ọbụla.

Ọrụ "ego" na-arụ bụ itule ihe ahụ "id" sị mmadụ mee ka ọ mara ma ọ dị mma ma ọ dị njọ. Mgbe ọbụla agụụ ịkpa akụ n'ụzọ ezighị ezi gụbara mmadụ, ọ bụ "ego" ga-agwa onye ahụ na ịkpa akụ n'ụzọ ezighị ezi adịghị mma. Ọ bụ "ego" ga-asị onye ahụ na o nwere ike isi n'ịzụ ahịa maọbụ ịrụ ọrụ ugbo kpata ihe ọ ga-eri. Nke a zipụtara onwe ya mgbe Enyi zukatara ohi, ndụmọdụ nna ya nyere ya wee bata ya isi, o wee nwee mmetụta obi ịkwụsi izu ohi wee malite ịrụ ọrụ ugbo nke bụ ụzọ ọ ga-esi gbochie agụụ. "Ego" rụkwazịrị ọrụ n'ebe ndị obodo ya nọ, n'ihina etu ha siri nyere Enyi aka na ịkọrụ ya ọrụ ugbo mere Enyi jiri baa ọgaranya ọsọọsọ ma chefuzie ezumohi.

Ọrụ "supa ego" na-arụ bụ ime ka mmadụ mata na ndị obodo na-asọ ihe ọjọọ nsọ. Ọrụ ya bụkwazị ime ka mmadụ mata na onye mere ihe ọjọọ ga-ata ahụhụ ihe o mere ebe onye mere ihe ọma ga-anata ụgwọ ihe ọma o mere. "Supa ego" pụtara ihe n'ederede a. Ọ bụ ya mere na Enyi na ndị otu ya na-eke nkwụcha mgbe ha na-ezu ohi mara na e nwere ike ijide ha ma taa ha ahụhụ. Ha na-enyekwa onwe ha ọzụzụ etu ha ga-esi were na-agbanahụ ndị ọrụ uwe ojii ma kekwara onwe ha ọrụ ka onye ọbụla na-eme nke ya nke ọma ka ha were gbanahụ ntaramahụhụ,

Dịka e si kwuo na mbụ, atụtụ Saịkoanalisis na-enye aka ịchọpụta ma o nwere ka ndụ dị aṅaa mmadụ zutere mgbe o pere mpe siapụta ihe na ndụ ọ ga-ebi n'ọdịnịihu. Nke a pụtara ihe na ndụ Enyi. Ajọ omume Nneka mesoro Enyi mgbe o pere mpe mere Enyi jiri si be ya gbapụ gaa biri n'ogige ụlọakwụkwọ ma were mkpụrụ osisi dị n'ogbe ndị ọcha mere nrị. Ọ bụkwa ajọ ọmụme a mere ka Enyi sowe ndị na-akpa agwa ọjọọ. O si n'aka ha mụta izu ohi makana Nneka kwesịrị inye ya ọzụzụ dịka nne nyere Enyi ọzụzụ dịka onye ilo ya. Ọ bụ ajọ omume a pụtara ihe na ndụ Enyi n'oge ntorobịa ya mere na ọ naghị enwe mwute mgbe ọ na-ezu ohi n'ihina ọ bụ akpọmasị Nneka kpọrọ ya ka ọ na-ebufere ndị mmadụ.

**Nnyocha *A Chọwa Isi Ọchụ***

Akwụkwọ a Chinedu Ofomata dere na-akọwa maka di na nwunye aha ha bụ Okwudịrị na Ọbịageli. Ha bụ ndị Ụdụra. Ha mụtara otu nwa nwoke aha ya bụ Chigozie. Okwudịrị anaghị anọ n'ụlọ mgbe ọbụla kama ọ na-akwọ ụgbọala na-aga Ugwu Awụsa. Ọ bụ ahịa garị ka Obiageli na-azụ.

Kemgbe a mụchara Chigozie, ọ bụ ya na nne ya na-anọ mgbe ọbụla n'ihi ụdịọrụ nna ya na-arụ makana ọ na-anọ n'ụzọ mgbe ọbụla. Ọbịageli anaghị ekwe ka mmadụ kudoro ya Chigozie kama ya na Chigozie na-anọ mgbe niile.

O nwere otu ụbọchị Obiageli esichaghị nri ụtụtụ n'oge, agụụ malitere ịgụ Chigozie, o were gaa gotere ya akara na agidi na nke nne Ụzọamaka. Malite ụbọchị ahụ gaba, Chigozie anaghị ekwe eri ihe nne ya siiri ya n'ụtụtụ belụsọ ma o gotere akara na agidi. Ụbọchị ọbụla nne ya egoteghị ya, ọ ga-ebegide akwa tutu na o gote ya. Chigozie kpagidere ụdị agwa a wee too nke mere na ọ na-ezu ego nne ya na nke ndị agbataobi were gaa zụta akara na agidi. Mgbe ọbụla nna ya lọtara, Ọbịageli anaghị akọọrọ ya ihe ya na Chigozie na-eje. Ọ chọghị ka Okwudịrị tigbuoro ya naanị otu nwa ya.

O nwere otu oge Chigozie zuuru ego nna ya, Okwudịri tipụrụ ya anya. Mgbe nne ya bịara ka ọ zọo nwa ya, Okwudịrị tirikwa nwunye ya dobe n'ala. Chigozie na-ezu ma ọkụkọ ma ego ndị ogbe ha. Ọ gara ụlọakwụkwọ zuo nke Hedịmasta na nke ụmụakwụkwọ ụfọdụ mere na Hedịmasta pịachara ya ụtarị wee bo ya ọnya n'ahụ.

Chigozie nwere ndị enyi abụọ n'ụlọakwụkwọ; aha ha bụ Ọdịrịchukwu na Chidi. Chigozie na-egotara ha ihe mgbe ọbụla n'ihi na ego na-adị ya n'akpa. Mana nne na nna ụmụaka a pịara ha ezigbo ụtarị ebe nna Ọdịrịchukwu tikwopụrụ Ọdịrịchukwu eze. Agbịsị gbaa otule ọ mụrụ akọ, Ọdịrịchukwu anaghịzị ekwe ka Chigozie na-eru ya nso. Mgbe ọbụla ọ hụrụ Chigozie, o cheta otu mkpụrụ eze ahụ nna ya kụpụrụ ya.

Mgbe Chigozie gụchara praịmarị, Okwudịrị kpọgara ya n'Aba ka ọ gaa mụọ ka e si edozi ụgbọala. Ọ malitekwara zube ego nna ya ukwu bụ Amadi. Oge ụfọdụ, o were ngwaọrụ ha ree maọbụ ọ rụchaa ọrụ ọ nara ego tinye n'akpa ya. Oge Amadi chọpụtara nke a, ọ chụrụ Chigozie. Chigozie garuru obodo ya malitekwa ohi ya ebe ọ kwụsịrị wee na-emesi ndị obodo ya ike. Ọ gwara nne na nna ya na ihe kpatara nna ya ukwu jiri chụlaa ya bụ makana ọ ka ya mara ihe ekwe na-akụ n'ịrụ ụgbọala. Ọ sịrị ha na nke kacha nke bụ na kemgbe nna ya ukwu jiri chọpụta na ọ na-amụta ọrụ ahụ n'ike n'ike ka o jiri kwụsị ikuziri

ya ọrụ. Na ọ bụ ntaji anya mere o jiri chụlaa ya n'ekweghị ka ọ mụzuo ọrụ afọ ole ha na ya kwutere.

Okwudịrị mechara gaa Aba gaa rịọ Amadi ka ọ nabatakwa Chigozie ọzọ. Amadi nabatara Chigozie ma gwa ha ka ha binyere ya aka n'akwụkwọ na ihe ọbụla Chigozie zuru na ha ga-akwụ ụgwọ ya. Ozigbo Chigozie lọghachitere Aba, ọ rụchaara otu nwoke ụgbọala ya, were si ka ọ nyatụ ya mara ma ọ dịla mma. Mgbe o buuru ụgbọala ahụ pụọ, ọ lọtaghịzị n'ụlọ ọrụ ha ọzọ. Nwoke nwe ụgbọala jidere Amadi ka ọ kwụọ ya ụgwọ ụgbọala ya. Mgbe Amadi kwụchara ụgwọ ahụ, ọ gaa kpụrụ Okwudịrị, nwunye ya na mmadụ abụọ binyeere ya aka n'akwụkwọ kpọchie ha n'ụlọ mkpọrọ. E mechara hapụ ha mgbe ha kwụchara ụgwọ ahụ.

Chigozie na ndị otu ya rigidere ego ha retara n'ụgbọala ahụ wee malitekwa ohi ha na-ezu. E mechara jide Chogize gbuo ya. Ọdịrịchukwu so na ndị uwe ojii a kpọrọ ka a gbagbuo Chigozie n'ama egwuregwu ebe ha gụrụ praịmarị ebe Chidi so na ndị ntaakụkọ gbara Chigozie ajụjụ ọnụ ụbọchị a gbagburu ya. O mechaghị izu ụka abụọ a gbagbuchara Chigozie, nne ya bụ Obiageli nwụọ n'obi mgbawa. Akụkọ malitere rịwa ibe ya elu n'Ụdura. A na-akọ etu e siri gbagbuo Chigozie, a na-akọkwazi otu obi siri gbawaa nne ya, o wee hapụ ụwa sowe nwa ya.

Ndị mgbaru gara na-akasi Okwudịrị obi ka o were ihe ụwa otu o siri hụ ya ebe ọtụtụ na-abọ Ọbịageli ntọọ n'ụdị ọnwụ ọ nwụrụ. Ka Okwudịrị ruchara uju nwunye ya bụ Ọbịageli, ọ gara lụta nwaanyị ọzọ were mụrụ ụmụ gaba.

Ọrụ atụtụ Saịkoanalisis na-arụ gụnyere ka ọgụgụ isi mmadụ si abawanye, ndoko ya, ụdị agwa dị iche iche mmadụ na-akpa. Agwa Obịageli kpara n'akwụkwọ agụmagụ a bụ nke jogburu onwe ya. O bu n'uche na nwa ya nwoke bụ otu mkpụrụ anya ji isi ụgwọ, n'ihi ya ọ chọghị inye ya ezigbo ọzụzụ ka ọ ghara inwụ. Ụdị echiche dị etu a adịghị mma. Ọ bụrụ na Obiageli kpachapụụrụ Chigozie anya, ọ gaghị ala n'iyi. "Id" pụtakwara ihe n'ederede a. Ọ bụ "id" na-akwanye Chigozie n'ohi ọ na-ezu. Ọ na-agụ "id" agụ imejupụta agụụ ihe ọbụla gbatara ya n'uche. Ọ chọghị ịma mpụtara ihe ọbụla. Ọ na-agba mbọ ịkwagide mmadụ ruo na o mezuo ihe ahụ dị onye ahụ n'isi. A ga-ahụta ọkwụkwa "id" na-akwanye mmadụ na ndụ Chigozie. Ọ bụ "id" kwagidere ya n'ohi niile o zuru n'obodo na n'Aba. Mgbe ụfọdụ "id" nwere ike imegide onwe ya.Nke a pụtara ihe mgbe e gburu Chigozie makana "id" na-arụ ọrụ n'ime ya chọrọ imegide ya.

Atụtụ Saịkoanalisis na-elebakwa anya n'ụdị omume agwa dị n'ime akwụkwọ agụmagụ ahụ na-eme. Okwudịrị pụtara ihe dị ka nwoke chọrọ inye nwa ya nwoke ezi ọzụzụ n'agbanyeghị na ọ bụ otu mkpụrụ anya ji isi ụgwọ. Odee iduuazị a gbara mbọ ịhụ na agwa ya dị rarịị were ruo na njedebe. A chọpụtara na ndị enyi Chịgọzie abụọ bụ Chidị na Ọdịrịchukwu na agwa ha adịghị rarịị. Ha na-eso Chigozie ebi ajọ ndụ mana mgbe nne na nna ha gosiri ha ihe eji ntị oke eme, ha cheghariri kpaba ezigbo agwa. Odee ji nke a egosi na mgbe nne na nna gbakọrọ aka ọnụ were otu olu na-azụ nwata na o nweghi ihe ga-eme ka nwata ahụ laa n'iyi makana o nweghi ihe dịka ịtọrụ nwata ezigbo ụkpụrụ.

Ụfọdụ agwa dị n'ime akwụkwọ a bụ ndị kpara akụ na ụzọ dị mma. Okwudịrị kpara akụ n'ụzọ dị mma n'ihi na o nweghị mgbe odee jiri kwu na ọ na-atụtụ ihe mmadụ. O nwekwaghị mgbe e kwuru na Ọbịageli zuru ohi mgbe ọ na-azụ ahịa, ya bụ, na o nwere ebe e nwere ike isi ṅomie di na nwunye a.

**Nchịkọta na mmechi**

Akpamụ akụ na ụba bụ ụzọ mmadụ si akpata ihe o ji enyere ndụ aka dịka ego, ụmụ, ala, anụ ụlọ, dg. Onye ọbụla dị ndụ n'ụwaa na-agba mbọ ịkpata ihe ọ ga-eri makana ndị Igbo kwenyere na onye ngana kpuo ute agụụ ekpughee ya. Ndị odee iduuazị ndị e jiri

mee nchọcha a gbara mbo gosi ka e siri kpaa akụ na ụba n'akwụkwọ ndị a. Ha gosipụtara na onye kpara akụ n'ụzọ dị mma ga-erite uru dị na ya ebe onye kpara akụ n'ụzọ dị njọ ga-ezute ihe egwu maka ajọ akụ ọ kpara.

Ọgụụ ọbụla tụlechara akwụkwọ iduuazị ndị a ga-achọpụta na agụmagụ ndị a na-akụziri onye ọbụla nọ n'ime ụwa etu ndị mmadụ si akpa akụ. Ọ bụ ezie na ọ dị mkpa mmadụ ịkpa akụ mana o kwesiri ka e mee ya n'ụzọ kwụ ọtọ.

Iji ederede kuziere ọhanaeze mkpa ọ dị ịkpa akụ na ụba n'ụzọ dị mma bara uru nke ukwuu. Nke a ga-enye aka belata ihe nhusi anya ndị mmadụ na-ahụ n'ụwa a. Mgbe mmadụ zuru ohi, gbuo mmadụ, tụọ asị ka o were kpata akụ, ndị o megidere na-anọ na mwute. Mgbe mmadụ kpara akụ n'ụzọ dị mma, ọ na-abụ ihe ọṅụ nye onye ọbụla, ma onye kpara akụ ma ndị agbataobi ya.

## Edensibịa


Alan, O.R. (1992). *Personality: Theories and Process*. New York: Harper Perennial.

Bridge, A. (2010). *Acquiring Wealth*. USA: Wadsworth Centage.

Dobie, A.B. (2009). *Theoryinto Practice: An Introduction to Literary Criticism*. New York: Wadsworth.

Dobie, A.B. (2012). *Theoryinto Practice: An Introduction to Literary Criticism*. (3rd ed.) New York: Wadsworth.

Eleke, I. (2015, Feb. 8-14). "*New Wave of Okada Robbery*" FIDES vọl. 24, No. 7, ihu 1 & 4.

Epom, U. (2012). *Wealth are valuable possessions*. Lagos: Matag Printing.

Eze, A. (2012). *Corruptive Practices in Nigeria*. Enugu: Format Publishers.

Ezenyilimba, I. (2014, May 25-31). "End ofRoad for Fake Seminarian". FIDES vọl. 22, No. 19, ihu 1 & 20.

Ezenyilimba, I. (2015, June 27- July 4). "Endof Road for Chapel Thief at Ifitedunu" FIDES vọl, 23. No. 26, ihu 1-4.

Igbokwe, C. (2017, July 29). "ShockingRevelations by Captured Herdsmen, How we *make money by killing and kidnapping*" Saturday Sun vọl. 14, No. 759, ihu 4-5.

Igbokwe, C. (2017, June 7). "TheUntold Story of Nigeria's Billionaire Kidnapper" Saturday Sun vọl. 14, No. 753, ihu 6-7.

Kalat, J.W. (2008). *Introduction to Psychology*. (8th ed.) New York: Thomson Wadsworth.

Kwnman, A.T. (1980). "Wealth Maximization as a Normative Principle".*The Journal of Legal Studies*. doi:1086/467637.

Mbah, B.M. & Mbah, E.E. (2007). *Azuonye: Lectures on Igbo Literature andStylistics*. Nsukka: University Press.

Merian, O. (2016). *Dictionary.com, LLC*. https://www.merian-webster.com> wealth. E wetere na 9 September, 2017.

Ofomata, C.E. (2009). *A Chọwa Isi Ọchụ*. Enugu: Format Publishers.

Onwumelu, A. (2013, August, 24-30). "18 Year-Old Human Trafficker Arrested in *Awka"* FIDES Vọl. 20, No. 33, ihu 1-2.

Onwumelu, A. (2014, December, 14-20). "Child Trafficking and Kidnapping" FIDES vọl. 22, No. 47, ihu 1-2.

Silvio, V. (2013). *A Theory of Global Civilization: Rationality and the* Irrational *as the Driving forces of History*. USA: Kindle Ebooks.

Ubesie, T.U. (1974). *Mmiri Ọkụ E ji Egbu Mbe*. Lagos: Longman Nigeria Plc.